**21st Sunday of Ordinary Time Year A- August 23rd, 2020**

**UKA NKE 21 N'OGE NA-ADANYEGHI N'EMUME- Afo nke Mbu**

**IGBO**

**IHE OGUGU NKE MBU: Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Onye Amuma Aizaya: (22:15, 19-23)**

**Isi Okwu: Aga M atukwasa mkpisi igodo nke obi Devid n'ubu gi.**

Lee ihe Onyenweanyi Chineke nke igwe ndi agha kwuru: "Bakwuru Shebna, onye ahu ji oke okwa nke ichedo obi ezi, gwa ya: "Aga M akwatu gi na nnukwu okwa gi, biakwa si na nkwago ahi ino, doda gi n'ala. N'ubochi ahu, aga M akpota nwodibo M bu Eliakim nwa Hilkia. Aga M eyiwe ya uwe nru ala gi, biakwa jewe ya eriri akwa gi. Aga m ewere ike gi nyefee ya n'aka. O ga-abu nna ndi nile bi na Jerusalem, na ndi nile bi n'obi Juda. Aga M ewere igodo na otughe onu uzo nke obi Devid tukwasa ya n'ubu. Onu uzo o bula o gbaghere, o nweghi onye o bula puru igbachi ya. Onu Uzo o bula o gbachiri, o nweghi onye o bula puru igbaghe ya. Aga M eme ka o ghoo ntu a kpogidesiri ike n'ebe siri ike; n'ebe o na-aghaghi ekwe nfopu. Ka o ghoo ebe nwere ugwu n'ezi na ulo ya. **Okwu n ke Oseburuwa- Ekele diri Chukwu**

**ABUOMA: 136:1-3,6,8 Az. 8**

***Aziza:*** **Onyenwenayi, ihunanya Gi di ebighi ebi. A jukwala oru aka Gi.**

1. Onyenweanyi, aga m eji obi m nile ekele Gi. (N'ihi na I nula okwu si m n'onu). Aga m ekwe ukwe otito Gi n'ihu ndi mmuoma. Aga m efe Gi n'ulo nso Gi. ***Aziza***
2. Aga m ekele aha Gi, n'ihi obi oma na eziokwu Gi. Mgbe m kporo Gi oku, I zara m. I gbara m ume. ***Aziza***
3. Onyenweanyi di n'ebe kacha elu, ma O na-ahu ndi e ji n'ala. O no n'ebe di anya na-ele ndi nganga. Onyenweanyi, obi oma Gi na-anogide ruo mgbe ebighi ebi. A jukwala oru aka Gi. ***Aziza***

**IHE OGUGU NKE ABUO Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Ozi Pol degaara ndi Rom: (11:33-36)**

**Isi Okwu: Ihe dum siri na Ya puta. O bu Ya mere ihe dum. Ihe nile si Ya n'aka.**

Aku na uba di n'ime Chineke adika omimi! Amamihe na mmuta Ya ebuka! Ichoputa ihe O bu n'obi, na ighota usoro O ji eme ihe akarika mmadu! Onye nwere ike ikowa ihe Onyenweanyi bu n'obi? Onye nwere ike ibu onye na-adu Ya odu? Onye nwere ike inye Ya ihe O na-enweghi, ma o bu binye Ya ihe o bula? Ihe dum di adi si na Ya diri. O bu Ya kere ihe dum maka onwe Ya. Ka otito nile diri Ya ebighi ebi, ebighi ebi! Ihaa. **Okwu nke Oseburuwa- Ekele diri Chukwu**

**ALELUYA (Matthew 16:18)**

Aleuya, aleluya; Onyenweanyi kwuru si: I bu Pita! N'elu nkume a ka M ga-ekwukwasi Nzuko M. Onu-uzo oku mmuo enweghi ike imeri ya. **aleluya.**

**OZIOMA: Ihe ogugu nke a si n'Ozioma di nso nke Matiu dere: 16:13-20**
**Isi Okwu: I bu Pita. Aga M enye gi mkpisi igodo alaeze eluigwe**

Mgbe Jesu rutere n'onumara Sizaria Filipi, O juru Umuazu Ya si: "Onye ka ndi mamdu na-asi na Nwa nke Mmadu bu? Ha zara Ya: "Ufodu na-ekwu na O bu Jon onye ome mmirichukwu. Ufodu na-ekwu na O bu Elaija; ndi ozo na-ekwu na O bu Jeremaya ma o bu otu n'ime ndi amuma mgbe ochie."O wee juwa ha si: "Unu onwe unu, onye ka unu na-eche na Mu onwe M bu?" Saimon Pita zara si: "I bu Kristi ahu, (E Chiri Echi ahu)! I bu Nwa Chineke di ndu."Jesu zara ya si: "Ngozi diri gi, Saimon, nwa Jona! N'ihi na o bughi mmadu nkiti kpugheere gi eziokwu nke a, kama o bu Nna M o n'eluigwe. Ugbu a, ana M agwa gi, I bu Pita (Nkume)! N'elu nkume a ka M ga-ekwukwasi Nzuko M. Onu-uzo oku mmuo enweghi ike imeri ya. Aga M achinye gi mkpisi-igodo alaeze eluigwe. Ihe o bula I kechiri n'elu uwa, a ga-agunye ya n'ihe e kechiri ekechi n'eluigwe. Ihe o bula I keghapuru n'elu uwa, a ga-agunye ya n'ihe e keghapuru ekeghapu n'eluigwe." Mgbe ahu, Jesu doro Umuazu Ya aka na nti dosiekwa ha ike, ka ha ghara igwa onye o bula na Ya onwe ya bu Kristi ahu.
**Ozioma nke Oseburuwa- Otito diri Gi, Kristi**

## English

### A Reading from the Book of the Prophet Isaiah (22:19-22)

Thus says the LORD to Shebna, master of the palace: "I will thrust you from your office and pull you down from your station. On that day I will summon my servant Eliakim, son of Hilkiah; I will clothe him with your robe, and gird him with your sash, and give over to him your authority. He shall be a father to the inhabitants of Jerusalem, and to the house of Judah. I will place the key of the House of David on Eliakim's shoulder; when he opens, no one shall shut when he shuts, no one shall open. I will fix him like a peg in a sure spot, to be a place of honor for his family." **The Word of the Lord- Thanks be to God**

**Responsorial Psalm (Psalm 138)**
**Response- Lord, your love is eternal; do not forsake the work of your hands.**

1. I will give thanks to you, O LORD, with all my heart, for you have heard the words of my mouth; in the presence of the angels I will sing your praise; I will worship at your holy temple. **Response**
2. I will give thanks to your name, because of your kindness and your truth: When I called, you answered me; you built up strength within me.
   **Response**
3. The LORD is exalted, yet the lowly he sees, and the proud he knows from afar. Your kindness, O LORD, endures forever; forsake not the work of your hands.
   **Response**

**<u>Second Reading A Reading from the Letter of St. Paul to Romans (11:33-36)</u>**

Oh, the depth of the riches and wisdom and knowledge of God! How inscrutable are his judgments and how unsearchable his ways! *For who has known the mind of the Lord or who has been his counselor? Or who has given the Lord anything that he may be repaid?* For from him and through him and for him are all things. To him be glory forever. Amen.

**The Word of the Lord- Thanks be to God**

**Alleluia (Matthew 16:18)**

R. **Alleluia, alleluia.**

You are Peter and upon this rock I will build my Church and the gates of the netherworld shall not prevail against it.

R. **Alleluia, alleluia.**

**Gospel: A Reading From the Holy Gospel According to Matthew (16:13-20)**

Jesus went into the region of Caesarea Philippi and he asked his disciples, “Who do people say that the Son of Man is?” They replied, “Some say John the Baptist, others Elijah, still others Jeremiah or one of the prophets.” He said to them, “But who do you say that I am?” Simon Peter said in reply, "You are the Christ, the Son of the living God.” Jesus said to him in reply, “Blessed are you, Simon son of Jonah. For flesh and blood has not revealed this to you, but my heavenly Father. And so I say to you, you are Peter, and upon this rock I will build my church, and the gates of the netherworld shall not prevail against it. I will give you the keys to the kingdom of heaven. Whatever you bind on earth shall be bound in heaven; and whatever you loose on earth shall be loosed in heaven.” Then he strictly ordered his disciples to tell no one that he was the Christ. **The Gospel of the Lord- Praise to You Lord Jesus**